# AMỤMA DỊ ICHE ICHE EBURU BANYERE MESAIA SITE N'ABỤ̀ ỌMA

**Abù Ọma 2:1-12; 22:1, 18; 45:1-17; 68:16-19; 69:21; 110:1-7; 118:21-24; 132:11.**

**IHE Ọ̀MỤ̀MỤ̀ 470 - Nke NdỊ-okenye**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ọkparam ka gi onwe-gi bu; Mu onwem amuwo gi ta" (Abù Ọma 2:7).**

**I Mesaia Ahụ nke Ná-abị a, Ịbụ Chineke Ya na Ọchị chị Ya N'ụwa Dum**

1. Ndị-isi nke ụwa ná-agba ìzù megide Onye Jehova etere mmanụ, Abù Ọma 2:1-3; Ọlu Ndị-ozi 4:25-27; 1 Samuel 16:13; Matiu 3:16, 17.
2. Jehova ga-esite n'aka Onye Ya Etere mmanụ kwatuo ndị ná-enupụ isi, Abù Ọma 2:4-6; 37:12, 13; 59:8; Ilu 1:26; Abù Ọma 132:11.
3. Ekwupụtara ọnọdụ ijéozi nke Onye ahụ Etere mmanụ, Abụ Ọma 2:7-9; 68:16-19; Ndị Hibru 1:5; 5:5; Ndị Kọlọsị 1:16, 17; Nkpughe 2:27; 12:5; 19:15.
4. Adọsiri ndị ná-achị achị na ụmụ mmadụ aka-ná-ntị ike, Abù Ọma 2:10-12; 89:7; 35:10; 34:8; 40:4.

**II Eburu Amụma Banyere Ahụhụ dị iche iche nke Kraist**

1. Kraist hụrụ ahụhụ n'elu obe, Abù Ọma 22:1; 69:21; Matiu 27:46, 34, 48; Mak 15:34, 36; Aisaia 53:4, 5.
2. Uwe Ya ka ekere, Abù Ọma 22:18; Jọn 19:23, 24.

**III Ọlụlụ Nwunye nke Eze ahụ na Ezi Nwunye Ọhụụ Ya**

1. Akọwara ịma mma nke Eze ahụ, na ebube Ya, Abù Ọma 45:1-8; Ilu 8:6-9; Abụ nke Abù 5:10-16; Luk 4:22; Aisaia 63:1-6; Ndị Hibru 1:8, 9; Ndị Efesọs 5:23-25.
2. Nwanyị ahụ ana-alụ ọhụụ na ndị ná-eso ya ka ejikwaworo nye Onye ahụ ná-alụ nwunye ọhụụ, Abù Ọma 45:9-15; Abù nke Abù 1:3, 4; 2 Ndị Kọrint 11:2; Matiu 22:11, 12; Aisaia 35:10; Nkpughe 19:7; 21:9.
3. Ihe na-agara Eze ahụ nkeọma, Abù Ọma 45:16, 17; Aisaia 53:10, 11; 61:9.

**IV Alaeze ahụ, Ịbụ Onye-nchụ-àjà na Mmeri niile nke Mesaia ahụ**

1. Á ga-akwatu ndị-iro nke Kraist, Abù Ọma 110:1-3; Matiu 22:41-45; 28:18-20; Abù Ọma 96:9.
2. Ọ ga-abụ Onye-nchụ-àjà, ma merie kwa ihe niile, Abù Ọma 110:4-7; Jenesis 14:18; Ndị Hibru 5:6; 6:20; 7:1-10, 17-21; Abù Ọma 21:8, 9; Nkpughe 6:15-17; Aisaia 11:3, 4; Abù Ọma 27:6.
3. Jisọs Kraist bụ Nkume nke Isi nkuku ụlọ ahụ, Abù Ọma 118:21-24; Matiu 21:42; Ọlu Ndị-ozi 4:11; 1 Pita 2:4, 7.

## NKỌWA DỊ ICHE ICHE

Abù Ọma nke abụọ bụ banyere Mesaia bụrụ kwa nke eji buo amụma. Ọtụtụ Abù Ọma, nke edere otù puku arọ tupu amụọ Kraist, nwere amụma dị iche iche nime ha nke ná-adịghị atụ onye ọzọ aka ma ọ bụghị Kraist. O doro anya, na náánị Kraist pụrụ imezu mkwà nke Chineke kwere Devid inye ya Ocheeze Ebighị ebi, ọ bụ ezie na ebe ọgụgụ ụfọdụ gụnyere Eze Devid, èzínaụlọ ya na ọchịchị ha (Lee 2 Samuel 7).

### Ndị Ná-amaghị Chineke Na-eme Óké Mkpọtụ

Ime óké mkpọtụ nke ndị ahụ ná-amaghị Chineke na-atụ aka banyere ịgba ìzù ọjọọ nke ndị Ju na Ndị Mbaọzọ megide Kraist. O nwere mmezu ná-ezuchaghị ókè n'ọbịbịa mbụ nke Kraist (Ọlu Ndi-ozi 4:25). Mmezu zuru òkè nke amụma ahụ ga-esochi n'ọbịbia nke ugbò abụọ mgbe ndị-eze nke ụwa ga-eguzo onweha imegide Jehova na Kraist Ya n'okpuru Onye ahụ ná-emegide Kraist. Ikpé nke Chineke ga-adakwasị ndụmọdụ ha na ìzù nzuzo ha megide Chineke na Ọkpara Ya. "Onye nānọdu n'elu-igwe nāchì ọchì: Onye-nwe-ayi nākwa ha emò." O, lee ka o si dị óké egwù mgbe Onyenweanyị ga-achị ọchị ma kwaa emò ná mbibi nke ndị ahụ bụ́ ndị "wezugara ndum-ọdum nile, unu achọgh kwa iba mbam" (Ilu 1:25, 26)! Nzube nke Chineke iguzobe Ọkpara Ya dịka Eze nime ụwa na Jerusalem abụghị ihe mmadụ ma ọ bụ ndị mmụọ ọjọọ pụrụ ịgbanwe.

### Ọnọdụ Ịbụ Ọkpara nke Kraist

Onye dere Abù Ọma na-ekwupụta ọnọdụ ịbụ Ọkpara nke Kraist: "Ọkparam ka gi onwe-gi bu," ọ bụghị site ná nkubata kama site n'ịbụ "otù nwa nwoke amuru nanị ya n'aka Nna Ya." Alaeze nke Kraist ga-ejikọta Ndị Mbaọzọ na mba ndị ahụ ná-amaghị Chineke na ndị niile ná-edobeghị onweha n'okpuru Kraist. Ọchịchị Ya nke

Ọ ga-eji mkpán'aka igwe na ikpé ziri ezi chịa ga-eweda nguzogide niile n'ala. Á na-adọ ndịeze na ndị ikpé aka-n á -nt ị ka ha jikere maka ọ b ị b ị a nke Alaeze a. B ụ r ụ onye maara ihe ugbu a, were egw ù n á -ef é Onyenweanyị. N̄ụrịa ọn̄ụ nime nsọpụrụ na mweda n'ala ma ọ bụ soro hụọ ahụhụ nke iwe Ya ga-ewetara ndị ahụ bụ́ ndị ná-eguzogide Oziọma nke Onyenweanyị Jisọs Kraist (2 Ndi Tesalọnaika 1:8). Akpọkwasịrị ngọzi n'isi ndị ahụ niile bụ́ ndị ná-atụkwasị Ya obi. Ntụkwasị obi nke a nke á na-ekwu okwu ya n'ebe a ka eji tụnyere nime Agba Ochie okwukwe ahụ ekwere nime Chineke nke n á -eweta nzọpụta. R ị ba àmà n á -eji amaokwu atọ nke ikpeazụ nke Abù Ọma ahụ ná-aza ajụjụ dị n'amaokwu atọ dị ná mmalite. Nnupụ isi ahụ megide Onye Jehova etere mmanụ nwere ọ̀zị́zá ya nime ndụmọdụ ahụ nke enyere ka esutu Ọkpara ahụ ọnụ feé Jehova òfùfè.

**Ahụhụ dị iche iche nke Krasit**

Ka anyị na-agụ amaokwu nke mbụ nke Abù Ọma 22, anyị na-aghọta ehieghị ụzọ nke mkpali nke Mmụọ Nsọ nke eji dee Akwụkwọ Nsọ. Ndịa bụ nnọọ okwu nke si n'ọnụ Kraist pụta n'elu obe. Amụma ndịa eburu banyere ọbịbịa nke mbụ nke Kraist mezuchara nnọọ n'òzùzù òkè nke bụ na ọ na-akpali okwukwe nime obi nke ndị kwere ekwe ịmara na amụma niile eburu banyere ọ b ị b ị a Ya nke ugbò abụọ ga-emezuchasị kpamkpam. Okwu niile nke sitere n'Abù Ọma a nke Obe na-egosi ahụhụ dịkarịsịrị ilu nke mkpụrụobi nke Kraist hụrụ n'ịchụàjà Ya nye ndịọzọ. Ha na-egosi kwa eziokwu ahụ nke ná-adịghị agbanwe agbanwe na Chineke apụghị ịnagide mmehie, ọbụná mgbe emere Kraist, "Ọkpara amuru n á ni Ya" ka "Ọ buru nmehie n'ọ n ọ d ụ ayi." Chineke gbochiri ike Ya ịnapụta Kraist n'elu obe ka àtụ̀màtụ̀ nsọ Ya banyere nzọpụta wee mezuo. N'àtụ̀màtụ̀ nke Chineke, egbuworị Nwa-atụrụ Ya "site n'oge itọ ntọ-ala nke uwa" (Nkpughe 13:8). Kraist kwenyere wee were ọnọdụ Ya n'àtụ̀màtụ̀ nke Chineke. Ọ pụrụrị iwezuga onweya n'óké ihe mgbu a, ma ekpere Ya guzosiri ike. "Otú ọ dị, ka eme ihe Gi onwe-gi n ā ch ọ, ọ bugh ihe Mu onwem n ā ch ọ" (Luk 22:42). Mmezu nke amaokwu 18 nke Abù Ọma 22 bụ nnọọ ihe eleziri anya depụta n'Akwụkwọ Jọn 19:23, 24. Abụ̀ Ọma 69:21 ka anyị na-ahụ́ mmezu ya na Matiu 27:34, 48.

**Otù Abụ̀ banyere Mesaia ahụ**

Eji obi nke jupụtara ma ná-asụgharị kwa n'ọn̄ụ malite Abù Ọma 45. Onye ahụ dere Abù Ọma ahụ na-àjá Eze ahụ n'ihi ịma mma Ya, àmara na mmeri Ya niile. Site n'ebe Eze ahụ nọ n'agha nọ, onye ahụ dere Abụ̀ Ọma a na-échigharị ugbu a n'ebe Eze ahụ nọ n'udo nọ. Eziomume nke ọchịchị Ya ka akọwara dịka mkpan'aka eze nke izi ezi. Alaeze nke ná-enweghị ọgwụgwụ nke Mesaia ahụ ka akọwara otú a, "Oche-eze-Gi …. nādiru ebigh-ebi." Ọchịchị ahụ zuru òkè ka egosịrị site n'okwu ndịa, "Ihuwo ezi-omume n'anya, we kpọ nmebi iwu asi." Nke a bụ mkwà iji gosi na mmehie aghaghị ịnata ahụhụ na nrube isi nwekwara ụgwọ ọlụ. Mgbe ọ na-ekwu "Chineke bụ Chineke-gi," ọ na-eme ka ụdị pụrụ iche nke Eze a n'ebe Chineke Onweya nọ pụta ìhè nkeọma. Mmanụ nke obiụtọ bụ ihe àmà nke ọn̄ụ na ụgwọ ọlụ nke dịrị ọchịchị eziomume. Étowo Eze ahụ dịka nwoke, onyeagha na onyeisi ọchịchị.

**Agbam-akwụkwọ nke Eze ahụ**

Ugbu a ana akọwa Ya dịka Onye ná-alụ nwunye ọhụụ. Akọwara uwe Ya dịka ihe nke jupụtara n'ụ́dà ụtọ nke ná-esí ísì-ụtọ nke ndị mba Ọwụwa anyanwụ nke ụwa na-eji edozi onweha n'oge ememe. Á na-eji ọ̀dụ̀ enyi (ivory) achọ ụlọukwu eze ahụ na ihe niile dị nime ya mma. Ntozu ókè na ịma mma nke ndị ná-ejé ozi n'ememe a ka egosipụtara site n'ụmụ ndịnyom nke eze. N'aka nri ka nwunye eze, ma ọ bụ Nwunye ọhụụ nke Eze na-eguzo, n'ọnọdụ nsọpụrụ na inwe òkè n'ọchịchị. Ihe ịchọ mma bụ ọlaedo nke Ọfịa, bụ nke kachasị ọcha n'oge ahụ, ma ọ bụ n'ihe nke ime mmụọ ihe kachasị ọcha apụrụ iji chọọ mma, "ezi akwa ọcha nēnwu, nke di kwa ọcha" (Nkpughe 19:7-9), nke bụ eziomume niile nke ndịnsọ. Ndụmọdụ ahụ ka añaa ntị ma ọ bụ gee ntị nkeọma, nke enyere n'ebe a na-adị kwa n'ụbọchị taa nye ndi ahụ akpọworo ná Nri-anyasị Ọlụlụ Nwunye nke Nwa-atụrụ ahụ. "Chezọ kwa ndị-gi, na ulo nna-gi" Nzukọ Kraist, ma ọ bụ "ndị akpọpụtara iche." Site n'ụwa, ka á na-enye ndụmọdụ ka ha rapụ ndị mmadụ, ụmụnna ha, ọbụná ihe niile n'ihi Kraist. Eze ahụ na-achọ ịma mma nke ịme mmụọ nke Nwunye ọhụụ Ya ebe nwanyị ahụ onwe ya na-akpọ kwa isi-ala nye Ya. Ịdị ọcha ya na ịma mma ya, ya na nke ndị ná-eso ya n'azụ, ga-eme ka obi nke Eze ahụ n̄ụrịa ọn̄ụ. Abụ̀ Ọma ahụ ji okwu ahụ nke ná-asị na aga echeta aha nke Eze ahụ n'ọgbọ niile wee mechie.

**Alaeze Ya**

N'Abụ̀ Ọma 110, okwu ndị ahụ eji malite na-ekwu ihe banyere okwu ahụ Onyenweanyị gwara Mesaia ahụ. Nke a bụ nnọọ otú esi ama ọ́kwà nke sitere n'ihe ọ bụla nke á na-asọpụrụ dịka chi, "Jehova sịrị" ma ọ bụ "otú a ka Onye-nwe-ayi siri," ọ bụ kwa Onye nwe Devid, ma ọ bụ Kraist ka á na-agwa. Iwu ahụ nke bụ́ "nọdu

n'aka-nrim" na egosi ikike na ọnọdụ ọchịchị nke edebeere Kraist. Siterị na mgbe Setan nwara iji nnupụ isi were ike Eluigwe tutu ruo mgbe á ga-atụba ya nime ọdọ ọkụ ahụ (Nkpughe 20:10), ọ nwawo ịkwatu, igbochi na ibibi atụ̀matụ̀ nke Chineke banyere nzọpụta nke ụwa na-ala n'iyi. Ọ malitere ọlụ ya n'ebe mmadụ nọ nime ogige Iden ma na-agbasi kwa mgba ike na-adaghị mba ịchụso atụ̀matụ̀ ya ibibi mkpụrụobi nke ụmụ mmadụ n'ụzọ ọ bụla o nwere ike. Ọ kpaliri ihe mgbochi niile apụrụ ichepụta megide ndị nke Chineke site n'oge Moses ruo n'ọbịbịa nke Jisọs n'elu ụwa. Mgbe ahụ o wee buso Onye-nzọpụta anyị agha siri ike n'ụbọchị ọnwụnwa Ya, na-achọ inweta nrube isi na mweda n'ala nke Kraist nye ntụpụta ọjọọ ya niile. Kraist meriri ya site n'ịnyefesị ọchịchọ Ya n'ebe uche nke Nna Ya nke bi n'Eluigwe dị. Setan na ndịozi ya, site n'ịdọkọrọ isi ọchịchị nke ụwa, okpukpé ụgha dị iche iche na ụdị aghụghọ dị iche iche egosipụtara ike ya dịka onye isi nke ike nke mbara eluigwe.

Abù Ọma nke a na-eweta olileanya dị ndụ na owuwe anya na Kraist gaje ịpụta dịka onye mmeri n'ebe ike niile nke mmehie na nke ọchịchịrị dị. Jehova ekwewo mkwà ime ka Mesaia ahụ guzo n'Ocheeze Ya ná-agbanyeghị ndị-iro niile na ihe mgbochi niile. Mgbe Nna ahụ ga-ebili ime ka ụwa mma jijiji nke ukwuu, ọ bụghị náání na ága emeri nguzogide niile na ndị-iro niile, kama aga azọdachasị ha. Á ga-eji mkpán'aka nke ike ahụ nke ná-esi na Zaiọn pụta mebie nguzogide niile. Alaeze nke Kraist nke Nzukọ Kraist na-anọchite anya ya ugbu a, na-enwe ọtụtụ nguzogide, ma ọchịchị nke Mesaia ga-ezu ókè. "Ndi-gi bu onyinye afọ-ofufo" na-egosi ịba ụba nke njikere nke Ndị Kraist arọpụtara ịbụ onyinye afọ ofufo, inyebiga onweha ókè site n'obi n'ijéozi Ya, n'ụbọchị nke ike (ọchịchị) Ya. "N'ima-nma nile nke idi-nsọ" metụtara ịchọ mma ahụ na mpụta ìhè nke usuu ndị-agha nke Kraist, nsọpụrụ na ebube. N'ihe nke ime mmụọ, ndị nke Ya bụ mba ndị-eze na ndị-nchụàjà, ndị ná-ejere Eze ha ozi, ndị eyibere amara pụrụ iche nke uwe ndị nchụàjà nke agbụrụ Erọn ná-atụ aka banyere ha. Mesaia ahụ, nke ná-edu ndị ya, ka ana-egosipụta dịka onye ná-anọ mgbe niile n'ike nke okorọbia, onye igirigi ụtụtụ nke amara Chineke na Mmụọ Ya na-eme ka Ọ dị ọhụụ ná-eme kwa ka O sie ike.

### Ịbụ Onye-nchụàjà Ya

Àtụ̀màtụ̀ nke Jehova banyere Kraist bụ ihe á na-apụghị imeghari, ihe á na-apụghị ịgbanwe, n'ebe ihe niile ná-agbaso ya mgba dị. "Gị onwe-gi bụ onye nchu-aja rue mgbe ebigh-ebi dika usoro Melkizedek si di." Ebe mbụ anyị hụrụ Eze nke Eziomume a bụ na Jenesis 14:18. Ọ bụ "eze Salem" na "onye-nchu-ájà diri Chineke Nke kachasị ihe niile elu." Ị bụ onye nchụàjà Ya karịrị nke Erọn, n'ihi na Abraham kwụrụ Ya otù ụzọ n'ụzọ iri (Ndi Hibru 7). Kraist bụ Onye-isi nchụàjà anyị taa, ná-anọdụ n'ocheeze Ya nke ịbụ Onye-ògbùgbò. Ịchị isi nke Kraist n'oge Ọchịchị puku arọ, otú ọ dị, agaghị abụ nnọọ náání n'ebe ụmụ mmadụ n'otù n'otù nọ, kama n'elu ọnọdụ ijéozi niile na n'ọkwa niile nke ọchịchị nke ụwa, ka ewee nabata ọchịchị nke Kraist n'ebe ọ bụla enwere ọnọdụ ọchịchị. Ọ bụrụ na ahụta isi ike na erubeghị isi, mkpán'aka nke ikpé "gāmapu" ha. Kraist abụghị náání Onye-ògbùgbò, kama Onye-ikpé. Oziọma Ya abụghị náání okwu nke ebere; ọ bụrụ na-ajụ ya ọ ga-aghọ iwu nke ikpé. Ọtụtụ n'ụbọchị taa na-ahụ náání ebere nke Kraist, ma mgbe ajụrụ ebere ọ na-eweta ikpé ziri ezi nke bụ ihe ná-aghaghị isochi ya. Ihe mere ndị-isi nke ọtụtụ obodo di iche iche ga-eji nwee ihe mmerụ arụ bụ na ha rapụrụ irube isi nye ọchịchị nke eziomume Ya. Á ga-eweda mmegbu niile na ike nke Onye ahụ ná-emegide Kraist ka ikpé ziri ezi wee guzo. Mmiri ọñụñụ ahụ nke sitere ná mmiri iyi bụ okwu ilu iji gosi mnwogha nke ike mgbe ike gwụsịrị site n'ibu agha dịka Ọ na-ewerute ikpé ná mmeri.

### Nkume nke Isi Nkuku Ụlọ

Abù Ọma 118:21-24 na-ekwu ihe banyere "Nkume nke ndị nēwu ulo juru aghọwo isi nkuku ulo." Nghọta nke onye mmehie n'ihe banyere Chineke adịbeghị mgbe o ziri ezi. Mmadụ nwere ụzọ dị ka o ziri ezi n'anya ya, "ma nsọtu-ya bụ uzọ nile nke ọnwu" (Ilu 14:12). Ezi ntọala nke Ndịozi ahụ na ndị amụma bụ "Kraist Jisọs onwe-Ya, nke bu isi-nkume nime nkuku ntọ-ala ahu" (Ndi Efesọs 2:20). Pita, mgbe ọ na-agwa ndị-isi okwu Chineke dịka edere ya nime Ọlu Ndi-ozi 4:12, sịrị, "N'ihi na aha ọzọ di iche adigh kwa n'okpuru elu-igwe, nke enyeworo n'etiti madu, nke anāghagh izọputa ayi nime ya." Ma otú ọ dị, ndị Ju, dịka ha na-ekwu na ha bụ ndị ná-akwagide Iwu Moses, kpọgidere Ya n'elu obe. Ọlụ aka Jehova dị ebube n'anya anyị, n'ibuli Kraist elu, bụ́ Onye akpọgburu dịka Onye iru abụọ, onye ụmụ mmadụ jụrụ ajụ, ka Ọ bụrụ Onyeisi, na Onye-nzọpụta na Isi nke Nzukọ Ya.

### Ọgbụgba-ndụ Nke Devid

Abù Ọma 132:11, nke ná-atụ aka n'ọgbụgba-ndụ nke Chineke na Devid ime ka mkpụrụ ya nọkwasị n'elu ocheeze nke Israel, ka emezuru n'ebe Solomon nọ; ma ọ bụ àtụ̀màtụ̀ dị anya gafee oge Solomon n'ihi na o jikọtara "Onye-nwe-ayi nke ebube," Onye mgbapụta na Mesaia bụ́ onye ga-abịa ịzọpụta ndị nke Ya na

mmehie niile ha. Ọ gafere àtụ̀màtụ̀ nke mgbapụta wee ruo oge ahụ mgbe Kraist gaje ịbụ Eze ndị eze na Onyenwe ndị nwenu niile. Nke a ga-abụ mmezu nke 2 Samuel 7:16, "Agēme ka oche-eze-gi buru ihe guzosiri ike rue mgbe ebigh-ebi." Anyị nwere ike iketa òkè nime Alaeze ahụ site n'iweda onweanyị n'okpuru Kraist na irube isi nye uche Ya na Okwu Ya.

**AJỤJỤ DỊ ICHE ICHE**

1. Ònye ka ndị mbaọzọ na-eme mkpọtụ megide?
2. Ọ bụ gịnị ka Onye ahụ nke ná-anọdụ n'eluigwe ga-achị ọchị?
3. Ònye ga-eji mkpà-n'aka nke igwe ahụ lụọ ọlụ?
4. Gịnị ka ọ pụtara bụ́ "sutunu onye arọputara ọnu"?
5. Ònye bụ Eze ahụ nime Abù Ọma 45:1?
6. Ònye bụ ezenwanyi ahụ nime Abù Ọma 45:9
7. Ònye bụ Melkizedek?
8. Ònye bụ nkume ahụ nke ndị ná-ewu ụlọ jụrụ?
9. Èmezuru mkwà ahụ ekwere Devid, "Ndi sitere na mkpuru nke afọ-gi ka M'gādọkwasi n'oche-eze i nwere" na Solomon? N'ihi gịnị?